# ASỤSỤ IGBO: ỌBA NCHEKWA OMENALA NA IHE NKETA NDỊ IGBO

**ETHEL CHISOM ITUMA**
**Department of Igbo, African and Communication Studies,**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
**chisomethel8@gmail.com**

**GLADYS IFEOMA UDECHUKWU (PhD)**
**Department of Igbo, African and Communication Studies,**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
**gi.udechukwu@unizik.edu.ng**

**PATRICK IK. UMEZI (PhD)**
**Department of Igbo, African and Communication Studies,**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
**pi.umezi@unizik.edu.ng**

**Ụmịedemede**
*Nchọcha a bụ maka asụsụ Igbo dị ka ọba nchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo. O lebara anya n'etu asụsụ Igbo si bụrụ ebe nchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo. Ndị nchọcha gbasoro usoro nke a kpọrọ nkọwa sọvee wee mee nchọcha ha. Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta ọrụ asụsụ Igbo n'ịchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo. Atụtụ a gbasoro wee mee nchọcha a bụ atụtụ ike asụsụ agbụrụ (Ethnolinguistic vitality theory) nke Bourhis, Giles na Taylor tụpụtara n'afọ 1977, na atụtụ ngosipụta ọrụ (Structural functionalism theory) nke Emile Durkheim tụpụtara n'afọ 1893. Site na nchọcha e mere, a chọpụtara ihe ndị nwere ike ibute ofufu omenala na ihe nketa ndị Igbo, uru asụsụ Igbo bara n'ịchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo; chọpụtakwa ụzọ a ga-esi kwalite asụsụ Igbo na ndị ọ bụ ọrụ ha ichekwaba omenala na ihe nketa ndị Igbo nwere.*

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Ndị Igbo, Omenala, Ihe nketa, Omenala ndị Igbo, Asụsụ, Asụsụ Igbo.

***Abstract***
*The study is about the Igbo language as the reservoir for Preserving Igbo Culture and Heritage. The researchers intend to find out ways in which what Igbo people are known for, can be revived and preserved through their language. Survey research design was used for this study. The purpose of the study is to find out ways of preserving Igbo heritage and culture through Igbo language. In this study, Ethnolinguistic Vitality Theory (EVT) by Bourhis, Giles & Taylor (1977) and Structural Functionalism Theory by Emile Durkheim (1893) were used. Thus, the findings of the study showed the possible causes of the extinction of some aspects of Igbo people's culture and heritage, the role played by Igbo language in preserving Igbo culture and heritage, and the possible ways of strengthening the Igbo language as the reservoir of Igbo culture and heritage.*

***Key words:*** Igbo people, Culture, Heritage, Igbo culture, Language, Igbo language.

## Ndubanye

Asụsụ Igbo bụ otu ọkpụrụkpụ ihe jikọrọ omenala Igbo na ihe nketa ndị Igbo; ma bụrụkwa ahụghị ma erighi n'ihe gbasara ime ka ọdịnala na-agbasa. Nke a bụ maka na ọ bụ site na ya ka e si ahanye omenala n'aka ndị na-etolite etolite. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime omenala Igbo. Ọ bụkwa ya jikọtara ndị Igbo niile ọnụ. Mgbe ọbụla a kpọrọ okwu a bụ "Igbo", ọ pụtara ụzọ ihe atọ: Ala Igbo, onye Igbo nakwa asụsụ Igbo. Etu o sila dị, omenala na ihe nketa ndị Igbo dị iche iche adịchazighị apụta ihe n'oge ugbu a nakwa na ndụ ndị Igbo n'ihi

mmepe anya na mgbaso ụkpụrụ ndị mbịarachịwa. Ọ dịzị ka a na-echefu omenala Igbo, O nweghị onye na-echetazị maka ihe ndị nna nna hafere ha n'aka.

Asụsụ na omenala dị ka nne na nwa. Ha dị ka aka nri na aka ekpe. Asụsụ bụ mpaghara omenala, n'ihi na omenala bụ okwu dị obosara, okwu metụtara ihe ọbụla mmadụ na-eme, etu mmadụ si ebi ndụ, etu o si elegara ụwa anya, wdg. N'agbanyeghị na asụsụ bụ mpaghara omenala, ọ bụ ya ka e ji ezipụta omenala ma na-ahafenye omenala. E nwekwara ike iji asụsụ chekwaa omenala ndị na njirimara ndị ma were ya chịkọba agụgụala, akụkọ ọdịnala, egwu ọnwa, ilu Igbo, akụkọ ifo na ịdepụta aha ihe ọkpụ dịgasị iche iche tinye ha n'ọwa ikuku ka o wee dịrị ọha mmadụ mfe ịmata. Ọzọ kwa bụ ndị Igbo na-eme ihe onyonyo tiivi nwere iji asụsụ Igbo emepụta ejije ọdịnala ga-ezipụta omenala Igbo n'uju; omenala ndị dị ka ịwa ọjị, ekike, ekele, nri Igbo dị iche iche, ịlụ nwaanyị, iti mmanwụ, iri ji ohụụ wdg. E kwesịkwara iji asụsụ akụziri ụmụ na-eto eto omume ọma dị iche iche, nsọala na arụ, echemeche ndị Igbo, omenala na ewumewu ha ga-eji wee bụrụ mmadụ. E nwegasịrị ụfọdụ egwu e ji eme ejije mgba n'oge gboo bụ nke echefusiri, ọ dị mkpa ka e were asụsụ Igbo dekọba ha n'akwụkwọ maka ịchekwa ha.

Ka ọ dị ugbu a, Ụfọdụ ndị mmadụ agbaala mbọ mee nchọcha n'ụzọ dị iche iche banyere asụsụ Igbo nakwa ụzọ dị iche iche a ga esi chekwaa omenala na ihe nketa ndị Igbo. Ka o sila dị, o nwebeghị nchọcha pụtara ihe e merela nke metụtara asụsụ Igbo dị ka ọbụ nchekwa asụsụ na omenala Igbo. Ọ bụ nke a mere ndị nchọcha ji kpebie ịbagide nchọcha a iji chọpụta ụzọ dị iche iche asụsụ ga-esi nye aka n'ịchekwawa omenala na ihe nketa ndị Igbo.

**Ntụleghari̱ Agụmagụ**

N'ebe a, ndị nchọcha tụleghariri agụmagụ dị iche iche ndị metụtara isiokwu a na-eme nchọcha na ya. ntụleghari̱ agụmagụ a gbadoro ụkwụ n'ihe ndị a: Nkọwa ọkpụrụkpụ okwu ndị metụtara isiokwu nchọcha a, atụtụ nchọcha, na nchọcha ndị e merela n'ihe ndị yitere isiokwu nchọcha a.

**Nkọwa Ọkpụrụkpụ Okwu Metụtara Isiokwu**

Ọ dị mkpa ka a kọwaa ọkpụrụkpụ okwu ndị metụtara isiokwu nchọcha a. ọkpụrụkpụ okwu ndị a gụnyere: asụsụ, asụsụ Igbo, Ndị Igbo, na Omenala

**Asụsụ**

Anozie (1999) kọwara asụsụ di ka ụda sitere n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị ịche iche megharịrị ahụ n'ụzọ dị iche iche. Ọ gakwuru n'ihụ kwuo na asụsụ bụ nke mmadụ. Nke a pụtara na ọ bụ naanị mmadụ nwere asụsụ na anụ ọhịa na anụ ụlọ enweghị asụsụ; kama ihe ha na-eme bụ mkpọtụ n'ụzọ dịgasi ịche ịche iji wee zirịta onwe ha ozi. Asụsụ bụ otu ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe ezi mmekọrịta.
Umezi (2017) kọwara asụsụ dị ka ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si eji okwu ọnụ na omume nke nwere nghọta n'etiti ndị nwe ya wee eme mmekọrịta n'etiti onwe ha. Nkọwa ya gosiri na asụsụ ga-abụ ihe ndị nne ya nabatara bụ nke na-eweta nghọta n'etiti ha.

N'ịga n'ihu, Crystal (1971) kọwara asụsụ dị ka, ụda sitere n'olu mmadụ a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara, nke na-abụghị ebumpụta ụwa nke mmadụ mebere e ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ maọbụ ederede. Ọ kọwara na a na-enweta ụda mgbe e nwere metụta ahụ n'ụzọ di ịche ịche n'etiti njiakpọ ike na njiakpọ juu. Ọ kọwakwara na ọ bụ ụda ndị a ka ndị ọka mmụta n'asụsụ (ndị ọkaasụsụ) na-ahazi n'ụdị ọdịmara nke e ji emewe asụsụ. Nkọwa a na-egosi ihe ole na ole banyere asụsụ. Nke mbụ bụ na asụsụ bụ ụda mmadụ na-eme, nke nwere nghọta site na nkwekọrịta nke ọha na eze nwe ya. Ọzọ bụ na mmadụ esighi n'afọ buru asụsụ pụta n'ụwa; kama, ọ bụ ihe mmadụ na-amụta mgbe ọ pụtara ụwa. Ihe ọzọ nkọwa a gosiri bụ na e nwere ike izipụta asụsụ site n'okwu ọnụ maọbụ site n'ederede. Asụsụ bụ ihe obodo ọbụla ji ebi ndụ. Ọ bụ site na mkpa asụsụ dị nyere obodo niile ka Crystal ji wee kwuo na ọ dị nnọ ka a ga-asị na o nweghị ihe ọbụla mmadụ na-eme n'ụwa ana-achọghị enyemaka asụsụ. O mere ka a mata na mgbe mmadụ nwere obi áṅụri maọbụ mgbe iwe dị mmadụ, na ọ bụ site n'asụsụ ka e si amata ihe ndị a n'ụdị na okwu ọnụ bụ obi mmadụ a hụrụ anya. Ụwa niile gbaa gburugburu nwere asụsụ dị iche iche nke e jiri mara ha. O mere ka a mata na asụsụ

ndị ụwa nwegasịrị dị iche iche, mana ọ bụ otu ọrụ ka ha niile na-arụ, ime ka mmadụ na ibe ya na-enwe ezi mmekọrịta n'ụdị na ha na-esi n'asụsụ amata obi onwe ha.

Robins (1985) kọwara asụsụ dị ka akara nzikọrịtaozi nke gbakwasara ụkwụ na nkwekọrịta nke ndị mmadụ; o nwere ike ịgbanwo ma webata ihe ụfọdụ site n'etu ọnọdụ si agbanwo n'ebe ndị na-asụ asụsụ ahụ nọ. Nkọwa Robins na-ahụta asụsụ dị ka ụda dị iche iche bịakọtara ọnụ iji mebe mkpụrụokwu, nkejiokwu na ahịrịokwu. Ya bụ na asụsụ bụ ụzọ mmadụ si ezipụta ihe o bu n'uche site na mmegharị akụkụ ahụ mmadụ nke nwere nghọta nye onye e meere ya. E jikwa akụkụ ahụ dị iche iche asụ asụsụ dị ka isi, mgbe mmadụ kwere n'isi maọbụ hihie isi, ịrọ anya, ilegide mmadụ anya, isu imi, ife aka, iji aka si mmadụ bịa maọbụ gawa.

**Asụsụ Igbo**

Ubahakwe (2002) kọwara na asụsụ Igbo bụ asụsụ ahụ a na-asụ na Steeti nke Anambara, Imo, Abịa, Enugwu, Ebonyị nakwa ụfọdụ akụkụ Delta na Rivas dị na Naịjirịa. Ọ kọwakwara na ọtụtụ n'ime ndị agbataobi ndị Igbo bụ agbụrụ ọzọ na-asụ ma na-aghọtakwa asụsụ Igbo ji ya mere asụsụ ọha ha. N'ịga n'ihu, Anọzie (2003) kọwara asụsụ Igbo dị ka asụsụ ndị Igbo na-asụ ha ji ezipụta ebumnobi na omenala ha. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe na Naịjirịa.

Apakama (2006), n'aka nke ya, sị na asụsụ Igbo bụ asụsụ a na-asụ n'akụkụ a na-akpọ ala Igbo. Akụkụ ala Naịjirịa ebe bụ ala Igbo bụkwa ndị na-asụ asụsụ Igbo bụ Abịa, Anambara, Ebonyi, Enugwu na Imo. O kwukwara na ọ dị ezigbo mkpa ma kwesi ekwesi ka onye ọbụla bụ nwafọ Igbo na-asụ asụsụ Igbo ma nwee mmasị n'ịsụ ya. Otu njirimara asụsụ bụ na ọ na-ezipụta omenala ndị nwe ya. Asụsụ Igbo bụ ya ka e ji egosipụta omenala ndị Igbo, ọ bụkwazị ya ka a ga-eji chekwaa omenala na ihe nketa ndị Igbo.

**Ndị Igbo**

Ọnwụejeọgwụ (1981) kọwara na ala Igbo sitere n'Agbọ na Kwale nke Steeti Delta wee gbadaa Ahoada, Diobu, na Ụmụabayi dị na mpaghara Pọt Hakọt. Ọ gafekwara Arọchukwu nke dị na Steeti Abịa ruo Afikpo na Isiagụ nke mpaghara Abakaliki. Ebe ahụ ka o si gbagoo Enugwuezike nke mpaghara Nsụka, ma gafekwaa Ebu nke ala Igbo Ofesi Naija. Ndị ha na ala Igbo nwere oke na mgbago ugwu gụnyere ndị Igala, Idoma na Tiv. A bịa na mpaghara ọwụwa anyanwụ, ndị ha na ha nwere oke bụ ndị Efiki na Ibibio; A bịa na ndịda, ndị ha na ha nwere oke gụnyere: ndị Ijọ sitere na mpaghara Delta, Urobo na Isoko. A bịazie n'ọdịda anyanwụ, ndị bi na Steeti Edo nke Naịjirịa bụ ndị ha na ha nwere oke. Ekwealor (2013) kwuru na ndị Igbo bụ ndị ahụ bi n'ebe a maara dị ka Ala Igbo (na mpaghara ọwụwa anyanwụ obodo Naijiria), ma nwekwaa asụsụ Igbo dị ka asụsụ nne na nna ha. Ọ bụ ndị Igbo mejupụtara Steeti Anambara, Enugwu, Ebọnyị, Imo, Abịa na mpaghara ụfọdụ na Steeti Delta, Akwa Ibọm na Rivas.

Ukpokolo (2009), n'aka nke ya, kọwara ndị Igbo dị ka Ndị Igbo niile bụ ndị ọtụtụ ewumewu na otu asụsụ jikọtara ọnụ. Nke a kwadoro nkọwa Onwuejeọgwụ (1981), onye kọwara na ihe kacha jikọta ndị Igbo na omenala ha gụnyere otu asụsụ Igbo, ọjị na nzu ha ji eme omenala tinyere ike nke dị n'egwu ndị Igbo na usoro ha si agba ya. Ndị ọzọ gụnyere, ezigbo nka ha nwere n'ịchọ aja ụlọ ha mma na etu pụrụ iche ha si ete uri iji chọọ ahụ ha mma, ịkpụ ite dị iche iche na òtù mmọnwụ. Ewumewu ndị jikọtara ọha obodo na ndọrọndọrọ ọchịchị obodo dị ka òtù ọgbọ na òtù ụmụnna dị iche iche bụkwa ihe ọzọ zuru ndị Igbo niile ọnụ.

Umezi (2021) Kọwara ndị Igbo dị ka ndị nna ha bụ ndị Igbo n'agbanyeghị ebe ha bi. Nkọwa a na-egosi na abụm onye Igbo sitere n'ọbara nakwa agbụrụ.

Ọraka (1983) kọwara na ndị Igbo ruru nde iri na abụọ n'ọnụọgụ. Ndị Igbo na-adịkarị nji, gbatụ agba ma nwee nnukwu egbugbere ọnụ. Ha bụ ndị na-etokarị ogologo n'etiti abụọ. Ha bụ ndị e jiri ịrụsi ọrụ ike mara bịakwa tinyere na ha bụ ndị na-agbalị ibute agba Enyi n'ihe ọbụla ha na-eme. Ọ bụghị ito ọnụ ma anyị si na ndị Igbo bụ ndị na-eji obi Agụ na obi dimkpa eme ihe na-atụghị uche maka ada. Ha na-egosikwa ịhụnanya

n'ebe ndị ọbịa nọ site n'ịnabata ha nke ọma, nye ha nri ma dozikwaara ha ebe ha ga-arahụ ụra. Ọ nwebeghị ala ọzọ a maara nwere obi ịnabata na ịnyere ndị ọbịa aka n'ụdị a karịa ndị Igbo.
Ndị Igbo dị ka agbụrụ nọọrọ onwe ha nwere omenala na ụzọ obibi ndụ nke ha. Nke a metụtara ọtụtụ ihe tinyere ka ha siri malite, ụdị ndụ ha na-ebi, ihe ha na-eme, ụdị ekike maọbụ ejiji, ụdị nri ha na-eri, mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya, otu ha si eche echiche nakwa otu ha siri kwụrụ, mgbe obibi ndụ ha na ndị mba ọzọ zuru. Ndị Igbo bụ ndị omenala. Nke a pụtara na usoro obibi ndụ ha, nkwenye na ihe niile ha na-eme na-ezipụtakarị omenala ha ma bụrụkwa nke omenala nabatara. Ha nwegasịrị otu dị iche iche ha si ezipụtagasị ọchịchọ obi ha, nkwenye na ọdịnala ha; ha na-ezipụta ihe nketa ha site n'ilu, egwu, ejije, ihe eserese na akpụrụakpụ, mmemme alụm di na nwunye, emume, echichi dị iche iche wdg. Site n'asụsụ, ihe nketa ndị a jikọrọ ndị Igbo ọnụ nwere nghọta ma na-ekwe omume.

**Omenala**
Okoli (2015) sị na omenala bụ mkpokọta omume, emume na ihe niile na-eme n'otu ebe site n'otu oge ruo n'oge ọzọ, site n'otu agbụrụ ruo n'agbụrụ ọzọ; nke gụnyere akaọrụ dị iche iche, ọrụ ugbo, egwu, ekpemekpe, nkwenye dị iche iche, asụsụ na agụgụ ala dị iche iche. Nkọwa Okoli gosiri na omenala metụtara ihe niile mmadụ ji biri n'obodo, akụkọ ndụ ya niile, asụsụ ya, nri ọ na-eri, nkwenye ya niile na akaọrụ ya.

N'otu aka ahụ kwa, Chibundụ (2022) n'echiche ya, kwuru na omenala bụ otu ndị si ebi ndụ nakwa nkwenye ha nke sitere n'aka fere aka n'ụdị ekwumekwu ọnụ ma bụrụkwa nke e debegidere ruo taa. Ọ bụ ihe e jiri mara mba dị ka asụsụ na ejije. Omenala bụ nchịkọta usoro obibi ndụ obodo, asụsụ ha, nri ha, usoro iwu ụlọ, usoro ịgba egwu, ngwa egwu ha, usoro alụm di na nwunye ha, nkwenye ha nakwa nsirihụ ndụ ha. O metụtakwara etu ndị si eme ihe ha; etu ha si akpa agwa, nkwenye ha, njirimara ha nke ha nabatara ma na-ahafenye ha site n'agbụrụ rue n'agbụrụ. Nkọwa a na-ekwu na omenala bụ etu agbụrụ ọbụla họpụtara isi wee na-eme ihe n'agbụrụ ha. Ọ na-akọwakwa na ọ bụ njirimara ndị mere ha ji dị iche n'agbụrụ ndị ọzọ.

Ọgbalụ (1981) kọwara omenala dịka ihe anyị na-eme, otu anyị si adị ndụ, ihe anyị na-eri na ihe anyị na-etinye n'ahụ na otu anyị si eji ejiji, ihe e jiri mara anyị dị ka mba, abụ anyị na-abụ, egwu anyị na-ete, omume na agwa anyị na-akpa. Omenala pụtara otu ndị si ebi ndụ ha. Ọ bụ omenala ndị ka e ji amata ha. Ọ bụ nke a mere na ọ dị nnukwu mkpa na ndị ọbụla ga na-echekwa omenala ha. Agbụrụ ọbụla enweghị omenala anwụọla. Omenala ndị metụtakwara asụsụ ha, agụmagụ ha, nkwenye dị iche iche ha nwere, ekpemekpe ha na mmemme dị iche iche ha na eme.

**Atụtụ Nchọcha**
Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ abụọ pụtara ihe. Ha bụ Atụtụ ike asụsụ agbụrụ na Atụtụ Ngosipụta Ọrụ.

**Atụtụ Ike Asụsụ Agbụrụ**
Atụtụ ike asụsụ agbụrụ (*Ethnolinguistic vitality theory*) bụ Bourhis, Giles na Taylor (1977) tụpụtara ya n'afọ 1977. Atụtụ a bu n'uche ịmata ma ndị ọbụla nwe asụsụ, ma ha ejirila maka ịsụ asụsụ mba ọzọ gbahapụ ịkwalite asụsụ ha, site n'inwe mmasị n'asụsụ mba ọzọ karịa nke agbụrụ ha. Ọ bụrụ na ha agbahapụ ịkwalite asụsụ ha, atụtụ a na-ekwu na ọ ga-eme ka asụsụ agbụrụ ha nwee obere ike, mana ọ bụrụ na ha na-etinye uchu n'imelite asụsụ agbụrụ ha, ihe ọ pụtara bụ na asụsụ agbụrụ ha ga-enwe ezigbo ike. Mgbe asụsụ agbụrụ nwere ezigbo ike, o zuo ka e mee n'ichekwa omenala na ihe nketa agbụrụ ahụ. N'ihi nke a ka Emenanjo (2010) ji ekwu na ọ bụrụ na agbụrụ nwe asụsụ jiri maka ịsụ ọtụtụ asụsụ leghara asụsụ ha anya, mee ya ka ọ nọrọ n'ọnọdụ ọjọọ, ọ ga-eme ka asụsụ ahụ tinye isi n'ụzọ ọnwụ ya. Ịsụ ọtụtụ asụsụ adịghị njọ, mana ebe o si dị njọ bụ ma ọ na-eme ka ndị nwe asụsụ na-ahapụ asụsụ agbụrụ ha, na-agbaga na nke ndị mba ọzọ. N'etu Bourhis, Giles na Taylor (1977) siri kọwa atụtụ a, ihe e ji ama ike agbụrụ ọbụla nwere n'asụsụ ha bụ etu ndị nwe asụsụ ahụ si emekọrịta ihe, na-ahụ onwe ha dị ka ótù òtù n'ọnọdụ ọbụla ha na otu ndị ọzọ mekọrọ ihe ọnụ. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụrụ na ike asụsụ agbụrụ ọbụla nwere buo ibu ọ ga-eme ka asụsụ ahụ nwee nkwalite, ghara ịnwụ, dị ndụ dị ka asụsụ otu agbụrụ (ya bụ, nke e jiri mara agbụrụ ahụ).

**Atụtụ Ngosiputa Ọrụ**
Atụtụ Ngosipụta Ọrụ (*Structural Functionalism Theory*) bụ nke Emile Durkheim wubere n'afọ 1893. Nwaamadị a gosipụtara mpụtara atụtụ ngosipụta ọrụ n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ *Division of Labour in Society* (ikewagasị ọrụ n'ọgbọrọgbọdọ) n'otu puku afọ, narị itolu na iri isii na anọ. O jiri atụtụ ngosipụta ọrụ wee nyochaa ọtụtụ ihe n'ọgbọrọgbọdọ site na ịjụ ọrụ nke ọbụla na-arụ iji hụ na e nwere udo n'ọgbọrọgbọdọ ahụ. Durkheim chọpụtara na ewumewu niile mebere ọgbọrọgbọdọ nwere ọrụ ha na-arụgasị. Ọ ji atụtụ a wee kọwaa etu obodo si arụkọ ọrụ ọnụ nakwa etu ya bụ ọrụ si emetụta akparamagwa mmadụ. Ọ sị na oge ọbụla ewumewu ndị a aruzighị ọrụ a tụrụ anya ka ha rụọ, mara na ewumewu ahụ anwụọla. O kwesịrị ka e wepụ ya n'ọgbọrọgbọdọ ahụ. Nwaamadị a nyekwara ọmụmaatụ ewumewu ndị a dị ka: ekpemekpe, alụm di na nwunye, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, omenala na usoro ọchịchị wdg. Ndị nchọcha ji atụtụ a egosipụta ka asụsụ si arụ ọrụ ichekwaba njirimara na omenala Igbo. Ọtụtụ ndị ọkammụta na ndị nchọcha edeelarị maka atụtụ ngosipụta ọrụ. Otu onye n'ime ha bụ Coser (1967) Ọ si "mgbe ọbụla e nyere nkọwa maka ihe mgbagwojuanya, anyị ga-agba mbọ chọpụta ihe kpatara ihe ahụ ji dịrị nakwa ọrụ ihe ndị ahụ na-arụ". Ya bụ na nchọcha, ihe anyị na-ele anya bụ ọrụ asụsụ n'ịchekwa omenala na njirimara ndị Igbo.

**Nchọcha E merela n'Ihe Yitere Isiokwu**
Umezi (2023) mere nchọcha isiokwu ya bụ Asụsụ Igbo: Enyo ngoziputa ndụ na njirimara ndị Igbo. Ebumnobi ya bụ izipụta etu asụsụ Igbo si bụrụ ugegbe e ji ezipụta usoro obibi ndụ na njirimara ndị Igbo ndị ọzọ ga. Nchọcha ya na nchọcha a yitere n'ihi na ha abụọ na-ezipụta etu asụsụ Igbo si ezipụta njirimara ndị Igbo. Ka o sila dị, nchọcha Umezi dịwaga iche na nchọcha a maka na ọ gbadoro ụkwụ n'etu asụsụ Igbo si bụrụ enyo ngosipụta ndụ na njirimara ndị Igbo, ebe nchọcha a bụ maka asụsụ Igbo dị ka ọba nchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo.

Umezi (2024) na nchọcha ya nke ọ kpọrọ *Igbo Language: The pivot of Igbo religious worship*, ebumnobi ya bụ ịchọpụta etu asụsụ Igbo ji bụrụ isi sekpụ ntị n'ekpemekpe na omenala ndị Igbo ndị ọzọ. Atụtụ ọ gbasoro bụ nke Sapir-Whorf (1929) nke na-akọwa na asụsụ na-agbazi echiche na nghọta ndị mmadụ na-asụ ya bụ asụsụ. Nchọcha ya chọpụtara na asụsụ Igbo bụ isi jikọtara ekpemekpe n'usoro ndị Igbo. Ya na nchọcha a yitere, maka na ha abụọ na-akọwa etu asụsụ Igbo si metụta ndụ ndị Igbo. N'aka nke ọzọ, nchọcha Umezi dịkwa iche na nchọcha a maka na Ọ na-ekwu etu asụsụ Igbo si bụrụ njikọ ihe niile gbasara ekpemekpe na nkwenye ndị Igbo, ebe nchọcha a na-eleba anya n'etu asụsụ Igbo si bụrụ ọba nchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo.

Anozie (2003), na nchọcha ya nke ọ kpọrọ 'Igbo Kwenụ: Akụkọ na Omenaala Ndị Igbo'. Ebumnobi ya bụ ịchọpụta mmetụta asụsụ na omenala Igbo ụfọdụ. Site na nchọcha ya, ọ kọwara na ebe mbụ ọmụmụ asụsụ Igbo malitere bụ n'Amerịka bụ ebe ụmụ amaala mba Afrịka na ụmụ Igbo ndị ọzọ a gbaghaara n'ohu na-arụ ọrụ n'ugbo ụtaba, n'ugbo osikapa na n'ugbo okpete. Ndị ohu a na-esite na myiri na ndịiche dị n'egwu ha na-agụ ma ha na-arụ ọrụ ugbo amata ebe onye ọbụla n'ime ha sitere bịa. N'ịga n'ihu, ọ kọwakwara na ebe ọzọ ọmụmụ Igbo pụtakwara ihe bụ na West Indies. Ọ bụ ebe ahụ ka otu onye ọcha a kpọrọ G.C.A Oldendorp bụ onye bịara njem nchịkọta ihe ọ ga-eji mee ihe akụkọ mgbe ochie nọrọ nwezie mmasị n'omenala, mmalite na asụsụ ndị ohu o zutere ebe ahụ na-asụ. N'ihi mmasị dị otu a, ọ malitere mụba ụdị asụsụ ndị ohu a na-asụ. Oldendorp mechara na 1717 wepụta akwụkwọ ya ọ kpọrọ, *Geschichte der mission der Evangelism Bruder auf den Carabischem.* N'ime akwụkwọ a, e nwere ụfọdụ mkpụrụ okwu Igbo, ụfọdụ ọnụọgụgụ Igbo, ụfọdụ mkpọaha Igbo nke dị iri na atọ n'ọnụọgụgụ tinyekwara ahịrịokwu abụọ a tụgharịnyere n'asụsụ Igbo.

**Ntụcha Nchọpụta**
Site na nchọcha na ntụcha ngwaọrụ nchọcha a, a chọpụtara ihe ndị a:

**Ihe ndị nwere ike ibute ofufu ụfọdụ omenala na ihe nketa ndị Igbo**
E nwere ọtụtụ ihe ndị nwere ike ibute ofufu ụfọdụ omenala na ihe nketa ndị Igbo. Ihe ndị a gụnyere: Nghọtahie ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo, sayensị na teknụzụ, njem na mmepeanya, ǹnomi omenala na usoro obibi ndụ ndị ọzọ n'ihi e nweghị obi isi ike na ntụkwasiobi n'omenala nakwazị ihe nketa Igbo. Site na

nchọpụta e nwetara, o doro anya na otu ọkpụrụkpụ ihe bụ isi sekpụ ntị n'ihe nwere ike ibute ofufu ụfọdụ omenala na ihe nketa ndị Igbo bụ ọbịbịa ndị ọcha. Ọbịbịa ha wetara ọtụtụ mgbanwe n'usoro obibi ndụ ndị Igbo. Tupu ha abịa, ndị Igbo na-eme omenala na ihe nketa ha n'uju mana obịbịa ndị mba Iropu mere ka ụmụ Igbo saa anya, nke a mere ka ha bido ledawa ihe nketa na omenala ha anya. Dị ka ọ dị n'oge ugbu a, ndị Igbo echefuola ọtụtụ omenala na ihe nketa ha.

Ọzọkwa, usoro obibi ndụ ndị Igbo n'oge ugbu a na-etinye ụfọdụ omenala na ihe nketa ndị Igbo ụfọdụ na nsogbu n'ụzọ ha ga-esi funarị ha. Ọtụtụ ndị Igbo na-esi n'ime obodo ha dị iche iche na-aga n'obodo ndị mepere emepe. Mgbe ọ dị etu a, ndị si obodo dị iche iche nwere omenala na ihe nketa dị iche iche na-abịa bikọọ n'otu ebe. Ebe ọ dị etu a, ọ ga-ahịa ahụ ka omenala ha ndị ahụ pụta ihe maka na onweghị onye ga-anabata nke ibe ya. Site n'ụzọ dị etu a, omenala ndị ahụ ga na-anwụ.

N'otu aka ahụ, usoro ịzụlite ụmụaka n'oge ugbu a anaghị enyecha aka n'ịkwalite omenala na ihe nketa ndị Igbo. Ọtụtụ nne na nna anaghị enwechazi ohere maka ịkụziri ụmụ ha ọtụtụ omenala na ihe nketa ndị Igbo. Nke a bụ maka ụdị ọrụ dị iche iche ndị nne na nna na-arụ n'oge ugbu a. N'otu aka ahụ ụmụaka anakwaghị enwe ohere maka igwukọrịta egwu ọnwa maọbụ ihe mmegharị ahụ dị iche iche, nke nwere ike ịbụ ohere ha ga-eji mụta ihe ndị ahụ.

**Uru asụsụ Igbo bara n'ichekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo**

Site na nchọpụta e mere mgbe a na-eme nchọcha a, ụfọdụ ihe mere ka o doo anya na asụsụ Igbo bụ ọba nchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo. Nke a pụtara ihe site n'ihe ndịa:

Na mbụ, ndụ ndị Igbo gbadoro ụkwụ nke ukwuu n'asụsụ Igbo. N'ihi nke a, ọtụtụ omenala na emume ndị Igbo dị iche iche na-adị ire mgbe e mere ha n'asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na ọ dịghị etu ahụ, emume ndị ahụ agaghị adị ire. Ụfọdụ n'ime emume ndị ahụ bụ emume awamọjị n'ala Igbo. Ndị Igbo kwenyere na ọjị anaghị anụ asụsụ ọzọ beelu sọ asụsụ Igbo, emume alụm di na nwunye wdg bụ n'asụsụ Igbo ka a na-eme ha iji zipụta ihe omimi dị na ha.

Ọzọ, a bịa n'ebe ndị Igbo nọ, asụsụ Igbo dị omimi karịa asụsụ ndị ọzọ. Na nkwenye ndị Igbo asụsụ Igbo abụghị naanị ngwa nzikọrịta ozi n'etiti mmadụ na ibe ya. Ndị Igbo kwenyere na e nwere ezi mmekọrịta n'etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Ọ bụ naanị n'asụsụ Igbo ka mmekọrịta a na-apụta ihe. Nke a bụ maka na ọtụtụ ndị nnanna ndị Igbo alaala mmụọ tupu ndị ọcha wetara asụsụ Bekee abịa.

N'ịga n'ihu, ụfọdụ mkpụrụokwu Igbo ndị metụtara omenala na usoro obibi ndụ ndị Igbo na-atụfu mpụtara na echiche ime ha mgbe a tụgharịrị ha n'asụsụ ọzọ. Nke a bụ maka na ọ bụ n'asụsụ Igbo ka echiche ha gbara mgbọrọgwụ. Ụfọdụ n'ime okwu ndị ahụ bụ mmọnwụ, okpesi, arụsị wdg. Ọ bụghị ihe mmọnwụ bụ n'omenala Igbo ka ọ bụ n'omenala ndị Bekee. A bịa n'omenala Bekee, a na-akpọ ya masquerade nke pụtara onye kpuchiri ihe maọbụ ihe mkpuchi. Mana a bịa n'ala Igbo, mmọnwụ pụtara mmụọ ndị nwụrụ anwụ. Etu ahụ ka echiche mkpụrụ okwu Igbo ụfọdụ si gbado ụkwụ n'asụsụ na omenala Igbo; ma tụfuo echiche ha mgbe a tụgharịrị ha n'asụsụ ọzọ.

N'otu aka ahụ, atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ dị ka ilu na akpaalaokwu dịgasị iche iche na-ezipụta echiche zuru oke naanị mgbe e zipụtara ha n'asụsụ Igbo. Mana echiche ha anaghị ezu oke mgbe ezipụtara ha site n'asụsụ mba ụwa ndị ọzọ.

Ọzọ kwa, asụsụ bụ ndụ mba ọbụla. Ọ bụ asụsụ Igbo bụ ihe na-enye ndị Igbo aha taa. Asụsụ Igbo na-emetụta echiche na nsirihụ ndị Igbo n'ụzọ dị iche iche. Nke a mere na ihe nhụrụnanya na ihe nhụrụ n'uche ụfọdụ gbasara omenala na usoro obibi ndụ ndị Igbo na-aka apụta ihe site n'asụsụ Igbo.

Ọzọ kwa, ihe ọzọ pụtara ihe site na nchọcha a bụ uru asụsụ Igbo bara n'ichekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo. Site na nchọcha a, e mere ka o doo anya na asụsụ Igbo nwere ọtụtụ uru dị iche iche ọ bara n'ichekwa

omenala na ihe nketa ndị Igbo. Mgbe e ji asụsụ Igbo were ezipụta omenala na ihe nketa ụfọdụ dị ka ekpemekpe, egwu ọnwa, akụkọala wdg, a ga-ahụ na asụsụ Igbo bara uru n'ichekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo.

N'ikpeazụ, a chọpụtakwara ndị ọ bụ ọrụ ha iji asụsụ Igbo wee chekwaa omenala na ihe nketa ndị Igbo. Nchọpụta a gosiri na ọ bụ ọhanaeze ndị Igbo ka ọ diịrị iji asụsụ Igbo wee chekwaa omenala na ihe nketa ndị Igbo n'ihi na dị ka etu mmiri dọọ n'eju si dọọrọ nwa nkịta, etu ahụ ka ọrụ iji asụsụ Igbo wee chekwaa omenala na ihe nketa ndị Igbo si dọọrọ ha.

Ihe ọ pụtara bụ na onye ọbụla bụ nwaafọ Igbo, ma ọ nọ n'ụlọ ma ọ nọ n'ụzọ ije kwesịrị ịma na ọ bụ oke na ọrụ diịrị ya dị ka nwaafọ Igbo iji asụsụ Igbo echekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo.

**Ihe ndị A ga-eme iji nyere Asụsụ Igbo Aka ịrụ Ọrụ Nchekwa Omenala na Ihe Nketa Ndị Igbo**
Iji hụ na asụsụ Igbo rụrụ ọrụ dị ka ọba nchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo, ụfọdụ ihe dị mkpa ka e mee. Ha bụ ndị a:

Ngalaba gọọment etiti na nke Seeti na-ahụ maka agụmakwụkwọ ga-agba mbọ mee iwu ga-eme ka e jiri asụsụ ire nne na-akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ dị icche iche. Nke a ga-eme ka amụmamụ asụsụ Igbo gbaa mgbọrọgwụ n'ala Igbo niile; mekwaa ka ụmụaka Igbo jiri asụsụ Igbo too, ma na-asụ ya ka asụsụ nne na nna ha.
Ọhaneze ndị Igbo na ndị gọọmentị ala Igbo ga-agba ga-etikọ isi ọnụ gbaa mbọ hụ na ha dọrọ ndị ụlọọrụ na-ahụ maka ihe onyonyoo aka na ntị ma nye ha iwu ka ha kwụsị iji asụsụ Bekee emepụta ihe onyonyoo Igbo. Ọ na-abụ ihe mwute na ha na-eji Bekee emepụta ihe nkiri na-ezipụta omenala Igbo. E kwesiri ịleba anya n'ihe dị etu a ma hụ na asụsụ Igbo bụ nke e ji eme ihe onyonyoo Igbo site na mbido rue na njedebe. Site n'ụzọ dị etu a, asụsụ Igbo ga-adịkwa ndụ ọzọ, ma mee ka onye ọbụla nwee nnukwu mmasị n'ịmụta ya ọsọ ọsọ. Nke a ga-emekwa ka akụkụ mba ụwa dị iche iche mata maka asụsụ Igbo.

Ọzọkwa, Onye odee Igbo ọbụla n'ogo dị iche iche ga-agba mbọ iji asụsụ Igbo achịkọba aha ihe ọkpụ akịọlọjị dị iche iche, ihe a kpụrụ akpụ na nke a tụrụ atụ, akụkọ ala, ilu Igbo d.g.z n'ụdị akwụkwọ ọgụgụ ma tinyekwa ha n'ọwa ikuku maka ọdịnihu, ka mmadụ ọbụla nọ ebe ọbụla ọ nọ nwee ike ịhụ ma gụọ ha mgbe ọbụla ọ chọrọ, n'ihi na ụwa ugbu a bụzị ụwa ịntanetị. Ọ bụ nnukwu ihe mwute na ụfọdụ ihe ọkpụ ndị dị n'ịntanetị enweghị aha Igbo ebe imirikiti bụ nke adịghị chaa chaa. Kedụzị ka ọgbọ na-abịa abịa ga-esi mara ihe ha bụ na ihe e ji ha mee maọbụrụ na e jighi asụsụ Igbo chịkọba ha?. Ya bụ na ọ dị oke mkpa iji asụsụ Igbo mee nchịkọta maka nchekwa ihe ọkpụ ndị a.

Ndị ọchịchị gọọmentị kwesịrị inye ntụziaka ka a na-etinye omenala na ihe nketa ndị Igbo n'ihe onyonyoo tiivi ma were asụsụ Igbo na-ezipụta ha. Nke a ga-enye aka n'ịzụlite ụmụaka n'ihi na ọ ga-enye aka n'ikuziri ha ụfọdụ omenala na ihe nketa ndị ha chefurula na kwa ndị ha anụtụbeghị na mbụ.

Ụzọ ọzọ a ga-esi wee nyere asụsụ Igbo aka n'ichekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo iji hụ na o fughị gụnyere: site n'ịsụ ya asụ, ịgụ ya agụ, ịde na iji ya akparịta ụka n'etiti mmadụ na ibe ya malite n'ezinaụlọ rue n'ebe dị iche iche. Ezinaụlọ ọ bụla kwesiri ịmata na ọrụ diịrị ha ikuziri ụmụ ha asụsụ na omenala Igbo. Agbụrụ ọbụla na-asụ asụsụ ha nke ọma na-esite na ya na-eme ka ụmụ ha mara ihe niile banyere omenala ha. Nke a mere na ọ na-esiri agbụrụ ọbụla ejighi asụsụ ha kpọrọ ihe ike ichekwaba na kwa ime ka omenala na ọdịbendị ha na-aga n'ihu. Asụsụ bụ otu n'ime omenala agbụrụ dị iche iche nwere. Ihe nke a pụtara bụ na o nweghị ka a ga-esi chekwaba omenala ma e wezuga asụsụ. Ịsụ asụsụ bụ otu ụzọ doro anya e si echekwaba omenala na ihe nketa ndị.

**Nchịkọta na Mmechi**
Na njedewe nchọcha a bụ maka asụsụ Igbo dị ka ọba nchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo, ndị nchọcha mejupụtara ebumnobi ha nke bụ bụ ịchọpụta ọrụ asụsụ Igbo n'ịchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo. Ha

lebara anya n'etu asụsụ Igbo si bụrụ ebe nchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo. Mgbe e mechara nchọcha a, a chọpụtara na e nwere ihe ndị butere ofufu ụfọdụ omenala na ihe nketa ndị Igbo. A chọpụtakwara uru asụsụ Igbo bara n'ichekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo N'otu aka ahụ, nchọcha a mekwara ka a mata ihe ndị e kwesiri ime iji hụ na a kwalitere asụsụ Igbo dị ka ọba nchekwa omenala na ihe nketa ndị Igbo.

**EDENSIMBỊA:**


Anọzie, C.C. (2003). *Igbo kwenụ: Akụkọ na omenaala ndị Igbo.* Enugu: Computer Edge Publishers

Anọzie, C.C. (1999) *Linugistics sayensi asụsụ.* Nsukka: Fulladu

Apakama, L. M. (2006). *Ndubata n'ụtọasụsụ na ụdaasụsụ Igbo*. Owere: Divine mercy publishers

Chibundu, U.C (2022). Ọmụmụ omenaala maka mba ịdị mma. Ọdụ Enyi. *IMSU Journal of Linguistics, Literature & Igbo studies. Owerri: Department of Linguistics and Igbo. Vol 2&3*

Crystal, D. (1971) *Linguistics*. Great Britian: Hazwell and Viney Ltd.

Durkheim, E. (1964). *The division of labour in society*. Free Press.

Ekwealor, C.C. (2013). *Omenala na ewumewu Igbo na ewumewu*. Onitsha: Afircana First Publishers PLC.

Emenanjọ, E.N. (2010). Sọmadịna, ike otu onye na ndụ ndị Igbo. *Agụmagụ nke ise maka ncheta Chief (Dr.) F.C. Chidozie Ogbalu*. Onitsha: Varsity Publishing Company in association With Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Giles, H. Bourhis, R. Y. & Taylor, D.M. (1977). Towards a Theory of Language in Ethnic Group Relations. *In H. Giles (Eds.), Language, Ethnicity & Intergroup Relations, pp 307-48*. London: Academic Press.

Nwadike, I. U. (2009). "Naijirịa: Asụsụ, Omenaala na Mmepe Obodo*" Jọnal Mmụta Igbo, 4(1), pp33-37*

Ọgbalụ, F.C. (1981). *Ndụ ndi Igbo*. Onitsha: University Publishing Company

Okoli, E. S. (2015). *Religion and social responsibility in Africa*. Awka: Fab Anieh.

Ọnwuejegwu, M. A. (1981). *An Igbo civilization: Nri kingdom and hegemony*. London: Ethiope Publishing Corporation.

Ọraka, L.N. (1983) *The Foundations of Igbo studies.* Onitsha: University Publishing Company.

Robins, R. H. (1985). *General linguistics: An introductory survey*. London: Longman.

Sapir, E. (1929). The status of linguistics as a science. Language, 5(4), 207-214.

Ụbahakwe, E. (2002). "The language and dialects of Igbo." In a survey of the Igbo nation.

Ukpokolo, C. (2009). Self identity and chieftaincy titles among the Igbo of Sotuheastern Nigeria. LUMINA, 20(2), 1-23

Umezi, P.I. (2017). Nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ ndị Igbo. *Ekwe Journal, Vol.4, No.2., 97-105*

Umezi, P.I. (2021). Azụmahịa na Naijiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu. *Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.4 No.2, pp 34-46.*

Umezi, P.I. (2023). Asụsụ Igbo: Enyo ngosipụta ndụ na njirimara ndị Igbo. *Nigerian Journal of African Studies (NJAS) Vol.5 No.3, 2023, Pp. 45-52*

Umezi, P.I. (2024). Igbo language: the pivot of Igbo religious worship. In I. L. Umeanolue, M. Muonwe, et al (Eds) *Studies in religion, society and human relations. Festschrift in honour of Rev. Fr. Prof. B.A.C. Obiefuna Awka: Fab Anie. pp. 452-458*